# ASỤSỤ IGBO NA ATỤMANYA NTOLITE YA (IGBO LANGUAGE AND THE PROSPECTS OF GROWTH)

## Nke si n'aka

**BASILIA NKECHINYERE EWEOMA (Ph.D)**
*Imo State Schools System*
Email: eweomabasil2@gmail.com

**CHINENYE .C. OLEKAIBE (Ph.D)**
*Federal University of Technology, Owerri*
Email: olekibechinenye@gmail.com

**AMAJOYI GRACE NGOZI (Ph.D)**
*Department of Igbo*
*Imo State College of Education, Ihitte Uboma*
**Email:** ngmajoy@gamil.com

**NA**

**NDUKA, PERPETUA UGOCHI**
*Federal University of Technology,*
*Owerri*
**perpetuanduka@gmail.com**

## Ụmịedemede

Asụsụ so n'otu ọkpụrụkpụ ihe zuru mba niile ọnụ. Ọ bụ ụzọ obibi ndụ nke mmadụ na ibe ya si ekwurịta okwu ma na-agwarịta onwe ha ebumnuuche ha. Asụsụ Igbo dị oke mkpa na ndụ ndị Igbo maka ọ bụ isi ihe e ji ama onye Igbo nke e kwesịrị inye ugwu na nsọpụrụ. ọ bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ asụsụ atọ (Awụsa, Igbo, Yoruba) dị n'ala Naịjirịa. Ndị Igbo niile na-asụ asụsụ Igbo. Ndị Igbo mejupụtara mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ha bụ ndị gbasiri ike ma na-agbasi mbọ ike n'ịrụ ọrụ. Igbo bụ aha agbụrụ ma bụrụkwa aha asụsụ ha. Dịka ọ dị n'ụbọchị taa, ndị mmadụ na-eche ma na-ekwukwa na asụsụ Igbo anyụọla ka ọkụ. Ụfọdụ ndị Igbo ejizighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe. Ọ na-alazi azụ n'ike n'ike, n'ụlọakwụkwọ, n'ụlọnzukọ, n'ọgbọ ọha, n'ahịa ma nke na-ewute karịchaa bụ n'ezinaụlọ ndị Igbo ebe ha tụhapụrụ ya ma kpụrụ asụsụ ndị mba ọzọ n'ọnụ. Ọ bụ nke a

mere nchọcha a jiri hiwe isi n’asụsụ Igbo na ụzọ a tụrụ anya ọ ga-esi etolitekwa ọzọ ma bụrụ ọkaibe n’asụsụ ndị ọzọ e nwere. E lebara anya na ndị bụ ndị Igbo ma na-asụkwa asụsụ Igbo, mkpa asụsụ Igbo dị, ọnọdụ asụsụ Igbo n’ụbọchị taa. A chọpụtara mkpọbi ụkwụ asụsụ Igbo nwere ma depụta ihe ndị a ga-elekwasị anya mee ka o wee tolitekwa ọzọ. Dịka: ndị mụrụ ụmụ ijiri asụsụ Igbo amalite ịkụziri ụmụ ha asụsụ, ka ndị gọọmenti nye ezi nchekwa banyere asụsụ Igbo, ndị gọọmenti inye aka hazie ihe ọmụmụ ọgbakọ nkụzi ihe maka ụzọ nkwalite asụsụ Igbo nakwa ndị ọzọ. Nchọcha a ga-abara ọha ndị Igbo uru, ụmụakwụkwọ nakwa ndị ọzọ ndị na-eme nchọcha n’ihe banyere ọganiihu asụsụ Igbo.

**Mmalite**

Asụsụ bụ ihe zuru mba niile ọnụ. Ọ bụ mmadụ na-asụ asụsụ dị iche iche site na mba fere na mba na sitekwa n’obodo fere n’obodo. Asụsụ bụ ụzọ obibi ndụ nke e ji amata onye bụ onye. Ọ bụ asụsụ mba ka e ji amara ya. Nke a mere o ji dị mkpa ka mba ọbụla chekwaba asụsụ ya. A na-esi n’ụda si n’olu asụsụ mmadụ amata mba onye ahụ si pụta. Anyị kwesịrị ịghọta na ọ bụghị ụda niile si n’olu mmadụ pụta nwere nghọta maka I nwere ike ịnọ ebe onye mba ọzọ na-ekwu okwu n’asụsụ ya, ihe ị ga-anụ bụ ụda si onye ahụ n’olu pụta mana ị gaghị aghọta ihe onye ahụ na-ekwu. ọ ga-adị gị ka onye ahụ na-eme mkpọtụ. N’ihi nke a ka anyị ji akọwa asụsụ dịka ụda nwere nghọta nke mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka. Asụsụ bụkwa ụda mmadụ gakọtara ya na akọnuche na amamiihe nke mmadụ na-eme n’ụzọ a haziri ahazi nke ya na ibe ya ji enwe mmekọrịta. Nke a pụtara na ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ. A bịa na nkọwa nke Edward Sapir (1921), ọ sị na asụsụ dịka ụzọ doro anya nke mmadụ si ezipụta ntụpụtauche, mmetụtaobi nakwa ọchịchọ ya n’usoro ọ haziiri onwe ya. Ọ sịkwa na ọ bụ asụsụ ka e ji amara mba, na o nweghị obodo ọbụla kpọrọ onwe ya mba n’enweghị asụsụ e jiri mara ha.

Asụsụ Igbo ka e jiri mara ndị Igbo. Ọ bụ otu n’ime asụsụ e nwere n’ụwa ma bụrụkwa otu n’ime asụsụ atọ gbara ọkpụrụkpụ n’ala Naịjirịa. Ndị Igbo bụ otu n’ime agbụrụ dị n’obodo Naịjirịa ndị ebe obibi ha dị na mpaghara ọwụwa anyanwụ. Steeti ndị Igbo bụ Imo, Enugwu, Anambara, Ebonyi, Abịa, akụkụ ụfọdụ na Krọs Rivas, Steeti Delta na Steeti Rivas. Ndị Igbo karịrị pasenti iri abụọ n’ọnụ ọgụgụ na Naịjirịa dịka a hụrụ na ụmụ Igbo Unite-Los-Angels (2018). A na-ahụkarị ndị Igbo na mpaghara obodo ọzọ na Naịjirịa dịka ha gbasara mba niile .

Ọ bụ nke a mere Obinna (2003) jiri kwuo na ọ dịghị akụkụ mba ọbụla nke ndị Igbo n’anọghị, ọ bụghị naanị na ha nọ ebe ahụ kama na ha agbaala mgbọrọgwụ ebe ahụ na-agbakwa mbọ nke ukwuu. Ndị Igbo bụ ndị na-agbasi mbọ ike ma na-enyeritara onwe ha aka. Ha abụghị ndị umengwụ. Ha kwenyesiri ike n’ịbụ ihe ha chọrọ ịbụ n’ihi okwukwe ha nwere. Ihe mbụ e ji amata onye Igbo bụ ejiji ya. Ha bụ ndị nwere akọnuche dị ukwuu ma na-akwanyekwara onwe ha ùgwù ebe ọbụla ha nọ. Anụ ahụ ndị Igbo dị ojii ma siekwa ezigbo ike. Ndị Igbo nwere ụdị nri dị iche ha na-eri nakwa omenaala na ọdịnaala ha. Asụsụ Igbo, dịka Greenberg (1966) siri kọwaa n’ime akwụkwọ Ume (1989), dị n’òtù a kpọrọ KWA nke “*Niger Khordafin Language*”.

Mbata (1994) kọwara na ọmụmụ Asụsụ Igbo malitere n’aka G.C.A. Oldendrop n’afọ 1766. Usoro e ji amụ asụsụ Igbo oge ahụ adịchaghị mfe. N’afọ 1852, otu nwoke a na-akpọ J.F. Schon mepụtara usoro a ga-agbaso n’ịmụ asụsụ Igbo nke a kpọrọ ọtọgrafị Igbo (*Igbo Otography*). Dịka Anozie (2003) siri kwuo, ọtọgrafị a digidere ruo mgbe òtù Nwelite Asụsụ na Omenaala Igbo a na-akpọ “*Society for Promoting Igbo Language and Culture (SPILC)*” nke onyeisi ha bụ Maazị ọnwụ bịara n’afọ 1961 wepụta ọtọgrafị nke ha. Ọ bụ ọtọgrafị a mere ka nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na-adị mfe ma na-edokwa anya ugbu a.

Dịka ndị *"International Unit (IU)"* siri kọwaa, asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ ndị na-asụ ya kachasị n'ọnụ ọgụgụ na Westi Afịrịka dịka ha ruru nde iri anọ na anọ (*44million*).

Ala Igbo sara mbara nke ukwuu. E nwere ike ikewa ya ụzọ ise ndị a: dịka ọ pụtara ihe n'ụmụ Igbo Unit, Los Angels (2018)

- A bịa n'ọwụwa Anyanwụ (*The Eastern Igbo*), a ga-ahụ obodo dịka: Afikpo, Arochukwu, ọhọfịa, Bende dgz.
- A bịa n'ọdịda Anyanwụ, (*The Western Igbo*) obodo ndị a dị na ya: Asaba, Agbor, Ogwashi-ukwu na ndị ọzọ.
- A bịa na mpaghara Akaekpe (*Northern Igbo*) obodo dị na ya bụ: Igbo-ukwu, Onitsha, Enugu, Nri-ukwu dg.
- Na mpaghara Akanri (*Southern Igbo*) a ga-ahụ obodo dịka: Ụmụahịa, Ngwa, Owerrinta, Eleme, Portharcourt, dg.
- A bịa na mgbata Akaekpe na ọwụwa anyanwụ, (*North-East Igbo*),a ga-ahụkwa Abakaliki, Ogo-ukwu na ndị ọzọ.

Ala Igbo ndị a niile nwechara oluasụsụ maọbụ olundị/olumba nke na-egosi mpaghara ala Igbo nke mmadụ siri pụta. Dịka ndị IU siri kọwaa, ha karịrị iri atọ n'ọnụọgụgụ. ụbara olundị/olumba ndị a dị n'ala Igbo abụrụla ihe mkpọbi ụkwụ n'inweta otu olu n'asụsụ Igbo nke mmadụ dum ga na-asụ. Ha gụnyere olu Owere, olu Mbaise, olu Ọlụ, olu Ọhaji, Egbema, Waawa, Enuani, Ngwa, Ịka, Nsụka, Igbanke, Bende, Isobo, Agụleri, Idemoli, Ndọki, Ukwani, Awka, Arọchukwu, Agụata, Egbema, Izza, Etche, Ohuhu, ọhọfịa, Opobo, Nnewi, Ekpenye, Ikwerre, Ezza, Okigwe nakwa olu ndị ọzọ.

N'agbanyeghị olundị/olumba nke mmadụ na-asụ, onye Igbo ọbụla ga-aghọta ma site na ya mata mpaghara ala Igbo nke ibe ya si pụta.

**Mkpa Asụsụ Igbo Dị**

Asụsụ Igbo abụghị naanị maka omenaala na ihe gbasara lingwistiki ka ọ dị mkpa, kama ọ dịkwa mkpa ruo n'agụmakwụkwọ, azụmahịa, n'ahụike nakwa ndị ọzọ. Ịsụ Igbo dị mkpa nye ndị nlekọta ahụke oge ha na ndị ọrịa na-enwe mmekọrịta n'obodo. (Onyinyechi 2023) dịka ọ chọpụtara. Nkwalite na nchekwa asụsụ Igbo ga-enye aka n'iwulite ogo na njirimara ndị Igbo n'ebe ọbụla ha nọ. E ji asụsụ Igbo amata onye Igbo na mpaghara obodo ọbụla ọ gara tinyekwara akparamaagwa na ihe ndị o kwenyere na ha ndị na-eme ka ọ pụọ iche n'agbụrụ ndị ọzọ. Nke a mere Nwadike (1992) jiri kwuo na ọ bụ asụsụ na akparamaagwa ka e ji ama onye bụ onye, nakwa agbụrụ o si na ya pụta. Ọ gbakwụnyere sị na "Onye tụfuo asụsụ ala ya, ejirimara onye ahụ efuola. ọ bụrụ nwata, a maghị ebe a ga-achọtakwa ya".

Ọzọkwa, asụsụ Igbo na-enyere mmadụ aka ịzọpụta onwe ya n'ihe mmekpaahụ na ihe egwu. Nke a pụtara na asụsụ na-enyere mmadụ aka inweta enyemaaka ọ kachasị mgbe ọ nọ na mkpa maọbụ ọ dabara na nsogbu. Iji maatụ: Oge anyị nọ na Mahadum, otu ụbọchị ndị ntọmmadụ tọọrọ otu nwa okorobịa aha ya bụ Chizobam Onyegbulem na ngalaba ọmụmụ ihe nke anyị gbafuo. Ọ kọọrọ anyịsị na oge ha ruru n'ogige ebe ndị omekome ahụ na-anọ, ọ hụgasịrị ọkpụkpụ akụkụ ahụ mmadụ dị icheiche, okpokoro isi mmadụ nakwa oke mma na-enwu zam zam. Nke ọzọ bụkwaolu ákwá ndị a na-egbu na-ebe. Ọ sị na ụjọ na egwu jidere ya nke ukwu kama ya ibewe akwa, sọ ekpere ka ọ na-ekpezi ka Chukwu gbaghara ya njọ niile o mere ma zọpụtakwa ya maka onye nwụrụ anwụ ka ọ bụzi mgbe ahụ.

Ọ sị na ụbọchị nke ha ruru maka igbu ha, a kpọbata ha n'ime ụlọ. Onye ọ dị n'aka igbupụsị ndị mmadụ isi ụbọchị ahụ bụ onye Igbo. E bidoro kpọbawa ha n'ime ụlọ ọbara ebe a na-ebepụ isi

mmadụ n'otu n'otu. Onye banyere ebe ahụ, naanị otu olu mkpu ka ọ ga-eti nke ya agaa. Mgbe a kpọbara ya ebe ahụ, onye ogbuisi ahụ amaghị mgbe okwu Igbo dapụtara ya n'ọnụ. Oge ahụ ka o jiri asụsụ Igbo rịọ ya arịrịọ sị ya: "Biko egbula m, abụ m onye Igbo nwanne gị". Ihe a metụrụ onye ogbuisi ahụ n'obi. ọ zara ya sị "Asụsụ gị azọpụtala gị ugbu a". O jiri nwayọọ zopụ ya n'azụ ụlọ ma nyere ya aka tụfee ya n'ofe mgbidi aja (*fence*) ya adanye n'ime oke ọhịa dị ebe ahụ. Ebe ahụ ka o zoro onwe ya n'elu otu osisi dị ebe ahụ ka ụmụanụmanụ ghara iji ya mere nri ruo mgbe chi bọrọ.

Ọ sị na mgbe chi bọrọ, ya apụta n'ụzọ kọọrọ ndị mmadụ ihe ọ gabigara. Ha nyeere ya aka iji laruo n'ụlọ ha. Otu a ka asụsụ Igbo jiri zọpụta ya n'ọnwụ.

Asụsụ Igbo bụ agamnihu mmadụ. ọ na-enye mmadụ ọrụ na-ewetakwara ya ọganihu. Onye Igbo nụrụ olu onye Igbo ibe ya na mba na-enyere ya aka. Asụsụ Igbo na-eweta mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ụzọ dị iche iche dịka n'enyemọrụ, azụmahịa, nzirtaozi, ọchịchị, agụmakwụkwọ, ịgụ ma ghọtakwa ihe mere mgbe ochie, ihe na-eme n'oge ugbu a nakwa nke ọdịniihu. A bịa na ndọrọndọrọ ọchịchị obodo, ọ bụ onye Igbo nwere ǹkà asụsụ ga-enwe ike inweta ndị mmadụ ka ha kwado ya.

Asụsụ Igbo baara ndị mmadụ uru site n'usoro na njirimara ndị Igbo nke na-apụta ihe dịka iheakaebe n'ụzọ omenaala na ndụ ha na-ebi. ọ bụ site n'asụsụ ka akụkọ obodo, omenaala nakwa ọdịnaala mba ọbụla ji esite n'aka nne na nna ruo ụmụ na ụmụụmụ ha aka n'obodo ha. Obodo tụfuru asụsụ ha atụfuola omenaala ha ma na-emezi "omeneelu". Ọ bụ asụsụ Igbo na-eme ka omenaala Igbo gaa n'ihu. Nke a bụ ikwenye n'ihe Obinna (2003) kwuru sị na e wezụga asụsụ, ọ ga-ara ahụ ịmata obodo mmadụ si na ya pụta ọ kachasị ndị yiri otu agbụrụ. Nke a gosiri na asụsụ Igbo bụ enyo e ji achọpụta onye Igbo ọbụla.

N'ịganiihu, asụsụ Igbo zuru oke ma nwee nghọta ịghọta ihe mmadụ kwuru. Ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji amụrụ ụmụaka Igbo ikwu okwu nakwa ịkụziri ihe n'ụlọakwụkwọ. Nwata na-amụta ihe nkeọma ma ọ bụrụ na a kụziiri ya n'asụsụ e ji mụọ ya nke bụ asụsụ mbụ nne ji amụrụ nwa ya ịsụ asụsụ. Nwata na-ebu ụzọ gee ntị nụ ma mụta ịnụ asụsụ tupu o bido sụwa ya. Asụsụ nwata mụtara n'ọnụ nne ya na nwata ka ọ na-eji amalite ikwu okwu maka ọ bụ asụsụ e ji mụọ ya. Asụsụ a na-atọ n'ahụ nwata ahụ nke bụ na ọ dị na mmụọ ya, n'echiche ya, n'omume, n'akparamagwa ya nakwa n'isi ya. Asụsụ e jiri mụọ nwata na-enyere ya aka n'iche echiche ọbụla na ndụ ya maka ọ na-eme ka echiche ya ruo ala ghara ịchakoro n'elu. E jiri asụsụ ndị ọzọ mụọrọ nwata asụsụ, ọ na-eme ka echiche ha chakoro n'elu oge ha na-amụ asụsụ obodo ha.

Ọ dị ezigbo mkpa ka a na-eji asụsụ Igbo akụziri ụmụaka ihe n'ihi ọ bụ asụsụ e ji mụọ ha. Nke a na-akwalite mmụta ma na-abawanye amamiihe na echiche nke ụmụaka. Ọ na-emekwa ka ha mụta ihe ọsọọsọ. Nwata a na-akụziri ihe n'asụsụ ọ n'amaghị na-anọ na nnukwu ahụhụ na mgbagwoju anya, nke na-ewetara ụmụaka ndaghachiazụ na mmụta.

Nke a mere na ndị nne na nna na ndị nkụzi ga-amara nkeọma asụsụ e jiri mụọ nwata (Igbo) ma werekwa ya na-akụziri ya ihe. Ya mere o ji dị mkpa na tupu e were asụsụ ọzọ kụziere nwata ihe, ọ ga-agba mbọ hụ na nwata ahụ amarala asụsụ e ji mụọ ya nkeọma ma nwee ike iji ya kwuo okwu n'ụzọ ọbụla ka a ghara ịdọghachi nwata ahụ azụ.

**Ọnọdụ Asụsụ Igbo Taa**

Asụsụ Igbo bụ ndị Igbo na steeti ala Igbo dịka Imo, Abịa, Enugwu, Anambra na Ebonyi nakwa ndị ọzọ dịka Rivas na Krọs Riva na-asụ ya. Dịka ọ dị taa, a chọpụtara na ụfọdụ ụmụ Igbo na-agbara asụsụ Igbo ọsọ nke mere ha anaghị achọ ịsụ ya n'ihi ọ na-eme ha ihere maọbụ n'ihi agwa achọghịmịma. Ndị ụfọdụ na-asị na ịsụ asụsụ Igbo bụ igosi na onye ahụ agụghị akwụkwọ, na ọ bụ ndị ọrụ ugbo na ndị bi n'ime ime obodo ka ọ dịịrị ịsụ asụsụ Igbo. A bịa n'ụlọ nzukọ, n'ahịa, n'ụlọakwụkwọ, n'ọha, na gọọmenti, ma karịchaa, n'ezianụlọ ndị Igbo dị icheiche taa, asụsụ Igbo bụ nke e leghara anya ma kpụrụ asụsụ ndị mba ọzọ n'ọnụ. A bịa n'ihe mkpughe nke ya, Akponye

(2007:37) kọwapụtara site na ihe nchọnchọ nke ndị òtù *UNESCO* mere gbasara ọnọdụ asụsụ na gburugburu ụwa niile, ha chọpụtara sị "tupu afọ iri ise na-akụrụ ọnụ, asụsụ Igbo ga-anwụ pịị n'ihi na e jighị ya kpọrọ ihe". Nke a gosiri na ndị Igbo ewerela asụsụ ha wụọ n'ala ma zọgide ya ụkwụ. Ndị Igbo na-ewere ihe n'adịghị oke mkpa kpọrọ mkpa ma were ihe dị oke mkpa dịka ihe n'adịghị mkpa. Ha gbasoro asụsụ Bekee nke ha amaghị asụ, ma hapụ asụsụ Igbo bụ asụsụ ejirimara ha nke ha ga-asụta nke ọma. Oge ụfọdụ ebe onye Igbo sụrụ bụkee, ndị nwe asụsụ ahụ na-achị ha ọchị n'ihi amaghị asụ.

Oge ụfọdụ, a bịa n'ebe ndị Igbo hiwere mmemme ha, ejiji ha gosiri n'ezie na ha bụ ndị Igbo mana asụsụ ọzọ ka ha na-asụ ebe ahụ. Kedụ maka ndị ụlọọrụ mmepụta egwuregwu? Ọtụtụ egwuregwu ha na-eme iji gosi ọnọdụ ezinaụlọ na omenaala ndị Igbo bụcha n'asụsụ Bekee ka ha ji ekwupụta ọnụ ha ma ejiji/ekike ha bụcha nke ndị Igbo. Nke a bụ ime ka asụsụ raa ntụ. Ihe ndị a nakwa ndị ọzọ bụ ihe dowere asụsụ Igbo n'ọnọdụ a ọ dị taa nke bụ ihe mkpọbi ụkwụ nyere ya.

**Mkpọbi Ụkwụ Dịịrị Asụsụ Igbo**

**Nne na Nna:** Asụsụ Igbo bụ asụsụ mbụ nne jiri amụrụ nwa ya ịsụ maọbụ ikwu okwu mgbe ọ dị na ntakịrị. Nke a bụ asụsụ e ji mụọ nwa/asụsụ olunne. N'eziokwu, ọtụtụ ezinaụlọ atụfuola asụsụ Igbo nke bụ ejirimara ndị Igbo. Ọtụtụ ndị nne na nna anaghịkwa asụ ya ma fọdụkwa ịkụziri ya ụmụ ha mụrụ, kama ha na-abara ụmụ ha mba ka ha kwụsị ịsụ Igbo ma na-asụ asụsụ Bekee nke ha na-amanye ha ka ha na-asụ. Ọ bụ asụsụ Bekee adịgboroja ka ha ji amụrụ ha ịsụ asụsụ maka ọtụtụ ndị nne na nna ndị akụwaghị sleeti ma ya fọdụ ịsụ Bekee nkeọma na-asụ. Nke a emeela ka ụmụaka gharakwa inwe mmasị n'ịmụ ihe gbasara asụsụ Igbo n'ihi na ndị mụrụ ha amachibidola ha ịsụ ya. Nke a mere ụmụaka ahụ ji agbara ịmụ asụsụ Igbo ọsọ n'ụlọakwụkwọ. N'ihi enweghị mmasị a ụmụakwụkwọ ụfọdụ na-akọcha ụmụakwụkwọ ibe ha ndị nwere mmasị, na-eme ha akaja nakwa ihe ọchị na-asịkwa na ha nọ n'ìsì. Agwa ndị a na-eme ka ihere na-eme ndị chọrọ ịmụ asụsụ Igbo nke mere ka ha jụzie ya kpamkpam.

**Ndị Nkụzi na Ndị Isiụlọakwụkwọ:** Ndị nkụzi na ndị isiụlọakwụkwọ ụfọdụ amachiela ịsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ha. Ha nyere iwu ma na-enye nwata akwụkwọ ọbụla ha nụrụ asụsụ Igbo n'ọnụ ya ntaramahụhụ nke ga-eme ka asụsụ Igbo nyụọ ka ọkụ n'ebe ụmụaka ndị ahụ nọ nke pụtara na ejirimara na omenaala ndị Igbo ga-anwụ pịị.

A bịa na nchọpụta ya, Eweoma (2014:7) kwuru sị "Ọtụtụ ụlọakwụkwọ akagbuola iji asụsụ Igbo akụziri ụmụakwụkwọ ha ihe. Ha machibidokwara ha ịsụ Igbo naanị ka ha ji welite ogo ụlọakwụkwọ ahụ dịka ọkaibe n'ebe ụlọakwụkwọ ndị ọzọ nọ". Ọ bụghị naanị na ha asụkwala Igbo n'ụlọakwụkwọ ha kama ha pụta n'ọha ha na-asọ asụsụ Igbo oyi ka a ga-asị na onye na-asụ ya bu nshi n'ahụ. Ọnọdụ a mere ka asụsụ Igbo bụrụ nke a na-atụ n'aja n'ụbọchị taa.

**Enweghị ọbaakwụkwọ Igbo:** Enweghị ọbaakwụkwọ Igbo tinyere enweghị ngwa nkuzi kwesịrị ekwesị n'ụlọakwụkwọ dị icheiche sokwa bụrụ ihe mkpọbi ụkwụ nye ọnọdụ a asụsụ Igbo nọ taa. Enweghị ihe ndị a dịka ngwa a ga-eji amụrụ ụmụaka ihe nke ga-abụ ihe nlere anya oge a na-akụzi ihe na-enye nsogbu n'ịghọta ihe ọsịịsọ. Ọzọ bụ enweghị ihe eserese, ụlọọkpụ na akwụkwọ ọgụgụ Igbo dịgasị iche iche nke kwesịrị iwebata n'ọmụmụ asụsụ Igbo, na-adọla aka elekere azụ na mmụta asụsụ Igbo nke na-eme ka e leghara asụsụ Igbo anya.

**Ụ̀kọ́ Ndị Nkụzi Asụsụ Igbo na Nsogbu Olundi:** Ụ̀kọ́ ndị na-akụzi asụsụ Igbo bido n'ụlọakwụkwọ Praịmarị ruo na Sekọndịrị so n'ihe dowere asụsụ Igbo otu ọ dị taa n'ụzọ dị icheiche. Nke mbụ ụfọdụ ndị nkụzi etozughị oke n'ịbụ akwaa akwụrụ na nkụzi asụsụ Igbo n'ihi ha enweghị nzere ime

ka ha zuo oke na ya. Ụfọdụ n'ime ha ji nzere adigboroja, ebe ụfọdụ jikwanụ "*National Certificate of Education" (NCE*) nke n'ezughị oke n'ịkụzi asụsụ Igbo. Ọzọ, ụfọdụ ndị nkụzi na-eji asụsụ Beke akụzi asụsụ Igbo. Nke ọzọ bụ na ụfọdụ ndị nkuzi na-eji olundị akụziri ụmụaka ihe ma hapụ iji olu Igbo izugbe nke bụ olu asụsụ Igbo onye Igbo ọbụla ga-aghọta nke ọma. Olundị na-emetụta nghọta ụmụaka nke mere ha ji asị na ịmụ asụsụ Igbo siri ike. Ịmaatụ:

| Olundị | Igbo Izugbe | Asụsụ Bekee |
|---|---|---|
| Mgbọtọ (Owere) | agbọgbọbịa | *girl/lady* |
| Ife (Ọnịcha) | ihe | *something* |
| Ogwem (Ngwa) | mụ | *me* |

Ọ bụghị mmadụ niile na-aghọta asụsụ olundị. Nke a na-adọla mmụta asụsụ Igbo azụ. ọzọ bụ ha anaghị ejikwa ngwa nkụzi akụziri ụmụaka ihe iji mee ka nghọta ha zuo oke. Ihe ndị a niile na-eme ka ọganiihu asụsụ Igbo laa azụ. Ọ na-emekwa ka ndị mmadụ ghara inwe mmasị n'ịhọrọ Asụsụ Igbo dịka isi ihe ọmụmụ ha n'ụlọakwụkwọ mahadum.

**Enweghị Nlebaraanya na Nkwado nke ndị Ọchịkwaọrụ (*Lack of Official Recognition*):** Enweghị nlebaranya nke ndị ọchụkwaọrụ n'ihe banyere asụsụ Igbo n'ebe agụmakwụkwọ nakwa n'ọrụ gọọmenti nọ ewedala ugwu na nsọpụrụ Igbo nwere. Ụmụ akwụkwọ enweziela obisiike ịgbahapụ asụsụ Igbo ma na-ekwusi ike na gọọmenti ala anyị bụ Naịjirịa ekwuola na ọ bụzighị iwu na nwata akwụkwọ ga-amụrịrị asụsụ ọbụla, kama ịmụ asụsụ bụ onye chọọ ya mụọ, onye achọghị ya hapụ. Nke a emeela na ịkụzi na ịmụ asụsụ Igbo na-agba ọnyụpa. ọ bụ n'ihi nkwenye ụmụaka ndị a na-eme onye nkụzi asụsụ bata na klasị maka ịkụzi asụsụ Igbo, ụmụaka agbapụsịa ezi, site n'ụzọ dị otu a, asụsụ Igbo na-ala azụ.

**Ndị Mbịarachịwa (*Colonization*):** Ndị mbịarachịwa webatara asụsụ Bekee n'obodo Naịjirịa nke bụ asụsụ ụwa niile ji enwe mmekọrịta ma na-aghọta onwe ha. Ọ bụ asụsụ e ji ezirịtaozi n'ikuku, jirikwa ya akụzi akwụkwọ n'obodo anyị n'etiti agbụrụ dị icheiche. Taa, asụsụ ndị mbịarachịwa a (*English*) arịala elu nke ukwuu ma bụrụkwa oke ihe mkpọbi ụkwụ n'ebe asụsụ Igbo dị n'ihi mmasị ndị mmadụ nwere na ya. Ha nabatara asụsụ Bekee maka ọ bụ ya ka a na-asụ n'ọha, e ji ya enye ọrụ, azụ ahịa nakwa na mba niile karịa asụsụ Igbo. Nke a bụ isi sekpụ ntị na mkpọbi ụkwụ asụsụ Igbo nwere taa.

**Ozuruụwaọnụ (*Globalization*):** ọ bụ site n'ụzọ mgbasa akụkọ n'ikuku ka ọhanaeze si anụta ihe na-eme n'ụwa niile. ọ bụ site n'ụzọ a ka ndị mmadụ si anụ asụsụ dị icheiche nke nlereanya (*target language*) ma nke olu nne mba dị icheiche. Sitekwa n'ụlọọrụ mkpaọchị (*Entertainment industry*), n'intaneeti na ụzọ mgbasa ozi ndị ọzọ ebe asụsụ Bekee na-arị ibe ya elu ka e si áràtá mmasị ndị mmadụ nke mere ha ji gbakete asụsụ Igbo azụ.

N'ịgbakwụnyekwa na nke a, enweghị ụlọ mbipụta akwụkwozi Igbo ụlọọrụ mgbasa asụsụ Igbo n'ala anyị ebe ọ dị ukwuu dị ka ọ dị n'ala ndị ọzọ so tinye aka n'ọnọdụ a asụsụ Igbo dowere imi na anya taa.

**Agụmakwụkwọ/Mmụta (*Education*):** Nke a sokwa n'ihe mkpọbi ụkwụ asụsụ Igbo nwere. Usoro ihe ọmụmụ kọrịkulum egbochighị ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nakwa asụsụ ndị ọzọ kama ọ bụ ụmụ mmadụ jiri aka ha mee ka ọmụmụ asụsụ (ọ kachasị Igbo) ghara ịdị ka ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ndị nhazi ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ anaghị enye ezigbo ohere/oge n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dịka ha na-enye n'asụsụ Bekee maka ha ejighị ya kpọrọ ihe. Nke a mere ka mmụọ ụmụaka n'ịmụ ihe ndị ọzọ na-arị elu karịa ịmụ asụsụ Igbo.

**Gọọmenti:** Ndị gọvụmenti sokwa keta oke n'ọrịa ji asụsụ Igbo aka taa. Nke a bụ n'ihi nleghara anya ha n'iwu e nyere ka a na-akụziri ụmụaka asụsụ Igbo site na praịmarị ruo na sekọndịrị niile dị n'ala Igbo. Ha anaghị etinyekwa anya ịhụ ma iwu ahụ nke gọọmenti etiti nyere maka mmụta nke a kpọrọ *"National Policy on Education" (NPE)* ka kwụkwa chịm. N'iwu a, gọọmenti etiti kwupụtara n'afọ (1981), kwadoro ka e jiri sọọsọ asụsụ olunne na-akụziri ụmụakwụkwọ ọtaakara ihe ruo na n'ọkara agụmakwụkwọ ya na Sekọndịrị, ya bụ na JSS III. A bịa n'ala Igbo; nke a ga-eme ka ha na-asụ nkeọma. Ọ bụ n'ihi na gọọmenti gbaketere azụ, mere ndị isiụlọakwụkwọ ji were asụsụ Igbo eme ihe egwuregwu. N'ime ọnọdụ a niile, e nwekwara ụzọ a tụrụ anya asụsụ Igbo ga-esi etolitekwa.

**Ụzọ Atụmanya Ntolite Asụsụ Igbo**

A na-ekwu na ihe ọbụla nwere mbido ga-enwe ngwụcha. Ọtụtụ bụ ihe ndị a tụrụ anya a ga-eme iji hụ na asụsụ Igbo tolitekwara ọzọ ma bụrụ ọkaibe n'asụsụ ndị ọzọgasị. Nke a chọrọ mgbakọ aka nke onye ukwu na onye nta maka ọ bụ a nyụkọọ mamịrị ọnụ ya agbaa ụfụfụ n'ihi na a gbachite nkịtị, asụsụ Igbo ga-efucha nke pụtara na ndị Igbo ga-efukwa maka o nweghizi onye ga-asụkwa Igbo.

i. Ndị nne na nna ga-agba mbọ jiri asụsụ Igbo kụziere ụmụ ha asụsụ malite na nwata nke ga-eme ka asụsụ a bamie n'ime ndụ ya. Nke a bụ ihe Chineke kwuru ka a kuziere nwatakịrị ihe ọma nakwa ụzọ dị mma na nwata nke ọ ga-abụ ya too, ọ gaghị ahapụ ya.

ii. Ụlọakwụkwọ niile dị n'ala Igbo ga-agba mbọ hụ na ha na-eji asụsụ Igbo na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe ma mee ka ọ banye na kọrịkulum ọmụmụ ihe ha. Ha ga-agbaso iwu a ndị *"National Policy on Education" (NPE)* nyere ka e jiri asụsụ olunne kụziere ụmụakwụkwọ ihe. Ọzọ ndị Otu Iwulite Asụsụ na Omenaala Igbo ga-agba mbọ hụ na ndị isi ụlọakwụkwọ adapụghị n'iji usoro ọtọgrafi dị ugbu a (Ọnwụ) na-akụzi ihe, ọ bụghị nke ịgwakọrịta nke ọbụla masịrị ha. Ndị isiụlọakwụkwọ ga-agba mbọ hụkwa na ụmụakwụkwọ ha niile na-amụ asụsụ Igbo ghara inwe ndị ga na-achị ibe ha ọchị ma na-akparịkwa ndị na-amụ asụsụ Igbo. Ha ga-enye ọmụmụ asụsụ Igbo ezigbo oge dịka e si eme n'asụsụ Bekee.

iii. Ndị gọọmenti ga-anabata mkpa ọ dị bụ ichekwa asụsụ Igbo ma nye ezi nkwado ka ọ bụrụ asụsụ nzuru ọha (*official language*) nke e ji amụ ihe nakwa nke ndị ọrụ gọọmenti ga na-asụ. Ha ga-ezipụtakwa ndị Nspekịtọ nke Edukeshọn ka ha nwee ike ịgaghari n'ụlọakwụkwọ dị icheiche na-eleru anya gbasara nkụzi asụsụ Igbo. Gọọmenti ga-

agbakwa mbọ na-akwado n'ụzọ iwepụta ego maka usoro emume nchekwa asụsụ na omenaala Igbo. Ha ga-enye ego a ga-eji wuo ụlọọkpụ, ọbaakwụkwọ Igbo ma n'ụlọakwụkwọ ma n'ime obodo nke ga-enye aka na mmụta asụsụ Igbo nakwa ebe nlere anya. Ha ga-enye iwu ka a tụgharịa akwụkwọ niile e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ n'olu asụsụ Igbo nke ga-eme ka nkụzi na nghọta dị mfe. Ọzọ bụ itinye iwu ka ndị ụlọọrụ mmepụta egwuregwu were asụsụ Igbo na-eme ejije ha ndị gosiri ndụ na omenaala ndị Igbo karịa iji asụsụ Bekee. Ọzọ bụ na ha ga-agbakwa mbọ hụ na ha na-enye ndị nkuzi asụsụ Igbo na ụmụakwụkwọ onyinye agbamume agụmaakwụkwọ n'efu nke ga-ewuli mmụọ ha inwe mmasị n'ịkụzi nakwa ịmụ asụsụ Igbo nkeọma.

iv. Ndị gọọmenti ga-ahụ na ha na-eziga ndị nkuzi nwere ezigbo nzere n'asụsụ Igbo bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ụlọakwụkwọ site na praịmarị ruo na mahadum maka nkụzi asụsụ Igbo. Ha ga-ahụ na ụmụakwụkwọ ha na-akụzi ma na-asụkwa Igbo mgbe ọbụla. Ndị gọọmenti ga-enye aka hụ na a na-ahaziri ndị nkuzi asụsụ Igbo ihe ọmụmụ ọgbakọ nkụzi nke ga-akwalite mmụta n'ụzọ itinyekwu ihe ọhụrụ na nke ha mabu maka ezi nkụzi asụsụ Igbo.

v. Ndị mgbasa akụkọ ga-enyekwa aka mee ka asụsụ Igbo tolite maka ọ bụ ha ka ndị mmadụ na-elekwasị anya, bụkwa ebe ha si anụ ma mata etu ihe si aga n'obodo nakwa n'ụwa niile. Ha ga-agba mbọ na-eji asụsụ Igbo ekwupụta ihe na-eme n'obodo site n'onyoonyo, na redio, n'ịntaneeti n'ụzọ akụkọ na ejije na ụzọ ndị ọzọ. Ndị mbipụta akwụkwọ ozi ga na-emekwa nke a ka asụsụ Igbo tolitekwa ọzọ. Ọzọ bụkwa ndị odee akwụkwọ agụmagụ na ndị mbipụta akwụkwọ ga-etinye uchu ịhụ na asụsụ Igbo agaghị ala azụ.

vi. Ndị Isiọchịchị nke gọọmenti n'ala Igbo niile ga-agba mbọ na-eji asụsụ Igbo ekwu okwu n'ọha iji gosi nkwado ha banyere ntolite nke asụsụ Igbo. Ha ga-akwado ka ejiji ndị ọrụ bụrụ nke na-egosipụta ndị Igbo ha bụ n'ezie Gọọmenti ga-agba mbọ na-ahazi ọgbakọ ihe semina ebe a na-akụziri ndị mmadụ maka asụsụ Igbo na uru ọ bara. Ọzọkwa ndị na-akụzi ihe n'asụsụ Igbo ga na-eji olu Igbo izugbe na-akụzi ya nke ga-eme ka nghọta na mmụta asụsụ Igbo dị mfe. Igbo izugbe bụ asụsụ Igbo jikọtara ndị Igbo niile ọnụ nke nwafọ Igbo ọbụla na-asụ ma na-aghọtakwa ya n'agbanyeghị obodo ala Igbo o si n'ime ya pụta.

**Nchịkọta na Ntụziaka**

Obodo anyị bụ Naịjirịa kwanyeere asụsụ Igbo ùgwù site n'ịgụnye ya n'otu n'ime asụsụ atọ gbara ọkpụrụkpụ. Asụsụ Igbo bụ ejirimara anyị, ike anyị, nchekwa anyị nakwa ihe anyị ji eme ọnụ. E nweela ezigbo ọnụnụ ọkụ n'obi na mmasị site n'aka ụmụafọ ala Igbo ịhụ na asụsụ Igbo guzooro ma kwụrụ chịm. Iji maatụ, mmadụ dịka ọkankuzi Ngozi Francis Chukwukere agbaala mbọ dị egwu iji hụ na a malitere nkuzi asụsụ Igbo na Mahadum Imo Steeti maka ụmụakwụkwọ niile na-abata na mahadum ahụ n'afọ nke mbụ nke a kpọrọ Mmụta Ozuruọha (*General Studies*) nke na-eku ume ruo ụbọchị taa. Ezi mgbalị nke a bụ nke e kwesịrị ilere anya mee ka ọmụmụ asụsụ Igbo gazuo mahadum niile nọ na Naịjirịa ọnụ n'ihi ndị Igbo gazuru obodo niile dị na Naịjirịa. Ọ bụ ihe mwute na ụfọdụ ụmụaka Igbo enweghị ike ịsụ Igbo n'ihi ha amaghị ya asụ Nke a pụtara na nkuzi na

ọmụmụ asụsụ Igbo bụ ihe a ga-akpachara anya hiwe dịka ihe ọmụmụ jikọrọ ụmụakwụkwọ niile n'afọ nke mbụ na nke abụọ (*General Studies GS*) na mahadum na kọleeji keedukeshọn niile. Nke a ga-enyere ha aka ịmụta ịsụ Igbo, gụọ agụọ ma deekwa ya edee.

Ọzọ bụ na ntolite asụsụ Igbo ga-abụ mgbakọaka nke ndị gọọmenti, ngalaba agụmakwụkwọ, ndị ndekọta, nkwado ọhanaeze nakwa mbuli nke omenaala ọdinicheiche. Ọ bụrụ na onye ukwu na onye nta enye aka n'ịkwado ọmụmụ asụsụ Igbo, mkparị na ihere na-eme ndị Igbo ịsụ asụsụ ha ga-akwụsị kpam kpam. Ndị tufuru asụsụ ha, atụfuola ejirimara ha maka asụsụ bụ ndụ mba.

Ya bụ, ka anyị gbasoro ụzọ ntụziaka ndị ahụ ka asụsụ Igbo nwee ike itolitekwa ọzọ ma bụrụ asụsụ e ji eme ọnụ.

## Edensibịa


Akponye, O. (2007). *Igbo Language, Is it a Dieying Language for a Living People?* Owerri: Totan Publishers.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenụ: Akụkọ na Omenaala Ndị Igbo.* Enugu: Computer Edge Publishers.

Edward, S. (1921). https://brocku.ca>sapir

Eweoma, B.N. (2014). "Asụsụ Igbo ọ ga-anwụ n'aka gị?" Owerrị: Ozisa newspapers. May-August.

Ezeụmụdo, B.F. (1985). *Better English Learning and Teaching*. Nsukka: Falladu.

Federal Government of Nigeria (1981). *National Policy on Education.* Lagos: Federal Ministry of Information

Mbata, C.O. (1994). Unpublished Igbo Lecture. Department of Language Studies. Alvan Ikoku Federal College of Education, (University of Nigeria Nsukka Affiliation), Owerri.

Nwadike, I.U. (1992). *Fundamental Teaching Practices.* Enugu: Fourth Dimension.

Nwadike, I.U. (2002). *Igbo Language in Education.* Obosi: Pacific Publishers

Obinna, V.E. (2003). "Igbo language and challenges of Philosophical and Scientifico-technology eụpression", In *Journal of Igbo Arts and Culture. No 6* pp. 126-129: Owerri Imo State.

Onyinyechi, F.C. (2023). "Igbo language Importance". https://www.linkedin.com> pulse

The I.U.: International Unit in Centre For Language Technology. Chrisdorney-Stock adobe.com. httts://celt.Indiana.edu>portal…

Ume, I., Ugorji, J.U. and Dike. G.A. (1989). *Ụmị na Nkọwa tọasụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers

Ụmụ Igbo Unit-Los-Angels (2018). https://www.ululosangeles.org.